# "NTULEKỌRỊKA ỌDỊDỊỤDA ASỤSỤ IGBO NA YORUBA"

**Orji, Ethel Odinakachi**
**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi**
**Mahadum Nnamdị Azịkiwe, Ọka**
**eo.orji@unizik.edu.ng**

## ỤMỊ EDEMEDE
Isiokwu nchọcha a bụ. Ọdịdịụda asụsụ bụ alaka sayensị amụmamụ na-akọwa etu asụsụ Igbo izugbe maọbụ olundị si ahazi ụda dị n'asụsụ ahụ nke ọma iji nwee ezi mpụtara. Nsogbu nchọcha a bụ na ọ bụ ihe dị mkpa na onye ọbụla kwesịrị ịmụta asụsụ ọzọ nke abụghị asụsụ a munyere onye ahụ na ya tinyere nke ọ maara n'ihina nke a na-eweta ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'ebe ịzụ ahịa, mkparịtaụka, ofufe nke okpukperechi nakwazị ihe ndị ọzọ, dị. Ọ bụ n'ihi nke a ka nwa nchọcha jiri nwee mkpali n'ebe isiokwu a bụ ntulekọrịta ọdịdịụda asụsụ Igbo izugbe na Yoruba dị iji nwee ebe e deturu ya edetu n'Igbo ka o wee nyere nwa afọ Igbo ọbụla na-achọ ịmụ asụsụ Yoruba maọbụkwanụ nwa afọ Yoruba na-achọ ịmụ asụsụ Igbo aka. Ebumnobi nchọcha bụ ịkọwada ihe bụ ọdịdịụda asusụ n'Igbo, ịchọpụta ebe abịdịị Igbo na nke Yoruba si dị iche, ịkọwapụta ndịiche dị na mgbochiume ha abụọ nakwazị ụdaume ha abụọ, inyochapụta nsogbu ndị Igbo na-amụ asụsụ Yoruba nwere ike inwe nakwazị nsogbu ndị Yoruba na-amụ Igbo nwere ike inweta. Nka e ji mee nchọcha a bụ nchọcha edereede. Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ ntulekọrịka ọdịdịụda asụsụ Igbo izugbe na Yoruba ntụlekọrịta asụsụ nke Lado (1957). Atụtụ ntụlekọrịta asụsụ na-akọwa ma na-enyocha myiri na ndịiche dị n'asụsụ abụọ a na-atụlekọrịta ọnụ. Mgbe e mechara nchọcha a, nwa nchọcha chọpụtara na asụsụ Igbo nwere mkpụrụ ụda iri atọ na isii ebe asụsụ Yoruba nwere mkpụrụ ụda iri atọ. Ụdaume Igbo dị asatọ ebe Ụdaume Yoruba dị iri na abụọ. Mgbochiume Igbo dị iri abụọ na asatọ, e nwere mgbochiume nge na nke mkpị mana asụsụ Yoruba nwere mgbochiume iri na asatọ, e kere nke asụsụ Yoruba ụzọ abụọ; nke e ji ọnụ akpọpụta na nke e ji imi akpọpụta. Site na ntulekọrịta e mere, a chọpụtara na e nwere ụda e nwere n' asụsụ Igbo na-adịghị n' asụsụ Yoruba. Nchọcha a ga-abara onye ọbụla nwere mmasị n'ebe asụsụ Igbo maọbụ Yoruba dị nnukwu uru. A na-atụ aro na ndị nchọcha ga-aga n'ihụ mee nchọcha n' ọdịdịụda asụsụ tụmadụ n'ebe o metụtara asụsụ ndị ọzọ iji chọpụta myiri na ndịiche dị na ha.

## 1.1 Ndubata
E nwere asụsụ dị iche iche na Naijirịa ma nwekwazịa atọ kachasị pụta ìhè n'ime asụsụ ndị a mana abụọ n'ime asụsụ atọ a gụnyere Igbo na Yoruba. Ọ bụ ihe dị mkpa na onye ọbụla kwesịrị ịmụta asụsụ ọzọ nke abụghị asụsụ a munyere onye ahụ na ya tinyere nke ọ maara n'ihina nke a na-eweta ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya n'ebe ịzụ ahịa, mkparịtaụka, ofufe nke okpukperechi nakwazị ihe ndị ọzọ, dị. Ọ bụ n'ihi nke a ka nwa nchọcha jiri nwee mkpali n'ebe isiokwu a bụ; ntulekọrịta ọdịdịụda asụsụ Igbo izugbe na Yoruba iji nwee ebe e deturu ya edetu n'Igbo ka o wee nyere nwa afọ Igbo ọbụla na-achọ ịmụ asụsụ Yoruba maọbụkwanụ nwa afọ Yoruba na-achọ ịmụ asụsụ Igbo aka.

E jiri atụtụ ntulekọrịta asụsụ nke Lado (1957) were tụchaa isiokwu a n'ụzọ doro anya. Ụdị nka e jiri mee nchọcha a bụ nchọcha ederede nke pụtara ime nchọpụta site n'ọba akwụkwọ dị iche iche nakwa ịgba ajụjụ ọnụ. Nwa nchọcha gara ọba akwụkwọ dị iche iche n'emem nchọcha a iji mee ya ka o nye ihe a chọrọ. Nwa nchọcha gbakwara ụfọdụ ajụjụ ọnụ iji chọpụta gasịa ndịiche dị n' ọdịdụda asụsụ abụọ a.

## 1.2 Nsogbu Nchọcha
Asụsụ ọbụla dị n'ụwa a nwere ihe e jiri mara ya. Ihe ahụ e jiri mara asụsụ bụ ihe nhụba ama ya. Asụsụ Igbo na Yoruba so n'asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naijirịa. Ọdịdị ụda asụsụ Igbo dị iche na nke Yoruba. Nke a na-ebute ihe nhịaramaahụ n'ebe onye Igbo na-amụ asụsụ Yoruba nọ ma ọ bụ onye Yoruba na-amụ asụsụ Igbo nọ. Nke a were bụrụ nnukwu ọgbatauhie nye asụsụ abụọ a. Ọ bụ nsogbu dị etu a kpaliri nwa nchọcha ime nchọcha n'isiokwu a iji mata etu a ga-esi gboo ụdị nsogbu a.

**Ebumnobi Nchọcha**
Ebumunuche nwa nchọcha jiri mee nchọcha a bụ:
- Ịchọpụta ihe ọdịdịụda asụsụ pụtara.
- Igosipụta ma e nwere ndịiche dị n' abịdịị Igbo izugbe na nke Yoruba.
- Ịkọwapụta ndịiche e nwere na mgbochiume nakwa ụdaume ha abụọ.

## Okere Nchọcha
Ebe a gbadoro ụkwụ were mee nchọcha a bụ na ntulekọrịka ọdịdịụda asụsụ Igbo izugbe na Yoruba. Nke a mere ka e lebanyere anya na ndịiche dị na mgbochiume na ụdaume dị ka o siri metụta asụsụ Igbo izugbe na asụsụ Yoruba ma chọpụtagasịa ebe e siri nwee ndịiche na ha bụzị nke ga-ebutere ndị na- amụ asụsụ a nnukwu nsogbu,

A na-atụ aro na ndị nchọcha ga-aga n'ihụ mee nchọcha n' ọdịdịụda asụsụ tụmadụ n'ebe o metụtara asụsụ ndị ọzọ iji chọpụta myiri na ndịiche dị na ha.

**Ajụjụ Nchọcha**

Ajụjụ nchọcha a bụ:

- Gịnị bụ ọdịdịụda asụsụ?
- Kedụ ka abịdịị Igbo izugbe na nke Yoruba siri dị iche?
- Olee ndịiche dị n'etiti asụsụ abụọ a n'ebe o metụtara ụdaume na mgbochiume?

**Uru Nchọcha**

Uru dị iche iche ka a ga-erite na nchọcha a; ndị nkuzi Igbo na ụmụ akwụkwọ Igbo ga-ahụ ebe e deturu ihe n'isiokwu a edetu, ọ ga-agbazịrị ụmụ afọ Igbo na-amụ asụsụ Yoruba ụzọ ma nyekwara ụmụ afọ Yoruba nwere mmasị n'ịmụ asụsụ Igbo aka, ha agaghị enwekebe ihe nhịaramaahụ n'ebe asụsụ abụọ ndị a dị. Nchọcha a ga-abụkwa ihe mgbazi n'ebe ndị ọzọ chọrọ ime nchọcha n'isiokwu a maọbụ n'isiokwu yiri nke a.

**Ntuleghar̄ị Agụmagụ**

Ihe ndị a ga-elebanye anya n'ebe a bụ nkọwa isiokwu, ntụleghar̄ị atụtụ, nchọcha e mereela n'isiokwu a, atụtụ nchọcha na nchịkọta ntuleghar̄ị agụmagụ.

**Nkọwa Isiokwu**

N'ebe a ka a kọwara nke ọma ihe ntulekọrịta asụsụ abụọ pụtara dị ka ọtụtụ ndị ọkammụta siri kọwaa ya nakwa ihe ọdịdịụda asụsụ pụtara n' Igbo.

**Ntụlekọrịta Asụsụ Abụọ**

Ntulekọrịta asụsụ abụọ pụtara iledaru anya ala, wetuo obi ala ma saa anya mmiri were nyochaa asụsụ abụọ iji were kọwapụta ndịiche na myiri dị n'etiti ha. Fries (1945), Lado (1957), Filipoi (1975) James (1980) na Chesterman (1998) dị ka Emeh na Ụba (2016) siri kọwaa chịkọtara ntulekọrịta asụsụ abụọ ka ha bụrụ nkọwapụta na nnyochapụta. Nke a pụtara na ha na-ahụta asụsụ dịka ihe a na-akọwapụta ma na-enyochapụta ndịiche ya. Ọ bụ site na nkọwapụta ndịiche dị n'asụsụ abụọ ka e si amata myiri ha, nke a ewee nyere onye na-amụ asụsụ ndị a aka n'ịmụta ya ọsọọsọ.

Ikenna (1999:8) kọwara ntulekọrịta asụsụ abụọ ọnụ dịka otu ihe dị mkpa nye ndị nkuzi n'ihina ọ ga-enyere ha aka inwe usoro ihe nkuzi ha ga-eji kuziere ụmụakwụkwọ ihe. Nke a gosipụtara na ntụlekọrịta asụsụ abụọ nke ọma na-eme ka e nwee ngwa nkuzi ndị nkuzi ga-eji na-akụzi ihe.

Nke a ka Mekiliuwa (2008:47) kwadoro ma sị na itulekọrịta asụsụ abụghị naanị na ọ na-enyere ndị nkuzi aka inwe ngwa nkuzi kama na o na-enyere ndị na-amụ asụsụ ọhụrụ aka. Ntulekọrịta asụsụ abụọ pụtara ịsa anya mmiri tụchaa ma chọpụta myiri na ndịiche dị n'asụsụ ndị ahụ a na-atulekọrịta.

**Ọdịdịụda Asụsụ Igbo**

Ọdịdịụda Asụsụ pụtara etu ụda niile dị n'asụsụ siri pụta ihe n'asụsụ ahụ. Robbins (1967) kwuru na ọdịdịụda asụsụ dị nnukwu mkpa n'ebe alaka amụmamụ asụsụ ndị ọzọ dị. Ọ bụrụ na e wepụ ọdịdịụda asụsụ n'ebe asụsụ dị, asụsụ agaghị enwe isi n'ihina ọ bụ ha bụ isi sekpụ ntị na nghọta ụda dị n'asụsụ. Katamba (1989:1) kọwara na ọdịdịụda asụsụ bụ alaka sayensi amụmamụ na-elebanye anya n'ụzọ dị iche iche e nwereike iji ụda were mepụta okwu n'asụsụ dị iche iche. Yallop (1990) kwuru na ọdịdịụda asụsụ (fọnọlọji) na-akọwa maka mpụrụiche ụda okwu ọbụla nwere.

Ọdịdịụda asụsụ dị ka Schane (1973) na Fromkin na Rodman (1992) mere ka a mata na ọdịdịụda asụsụ na-ekwu maka ụda nọwagara onwe ya iche. Champan (1973) dị ka Mbah na Mbah (2010) siri kwu mere ka a mata na nwata akwụkwọ ọbụla na-amụ maka agụmagụ maọbụ na-amụ ihe ọbụla metụtara alaka sayensi amụmamụ asụsụ ma ọ maghị maka ọdịdịụda asụsụ, nwa akwụkwọ dị etu a amaghị ihe ọ na-eme n'ụlọakwụkwọ. Agbedo (2000) mere ka odoo anya na ọdịdịụda asụsụ na-elebanye anya n'ụda okwu ndị dịwagara iche. Ọdịdịụda asụsụ bụ otu n'ihe dị mkpa n'asụsụ ọbụla n'ihina ọ dị ka a ga-asị na ọ bụ ya mebere asụsụ na ụda dị n'ime asụsụ.

Ezikeojiaku (2004) rụtụrụ aka na ọdịdịụda asụsụ na-enyocha ndịiche dị na mkpụrụ ụdaasụsụ abụọ. Anagbogu, Mbah na Eme (2010:96) siri kwu nwere otu ọrụ ọ na-arụ nke bụ ịghọta ma kọwaa etu ụda na ǹgwéolu siri enwe nghọta n'asụsụ. Nke a pụtara na nzikọrịtaozi anaghị enwe nghọta dọrọ anya wee rue mgbe njirimara ǹgwéolu asụsụ jikọtara onwe ha wee mepụta okwu nwere nghọta. Ha gara n'ihu kọwaa na ụda ọbụla nwereike iweta ndịiche n'etiti okwu abụọ ka a na-akpọ mkpụrụụda asụsụ.

Mbah na Mbah (2010:1) kọwara na ọdịdịụda asụsụ bụ nke a kpọrọ fọnọlọji na-eleba anya n'etu njiakpọ dị iche iche si arụkọ ọrụ iji mepụta ụda n'asụsaụ dị iche iche. Ha gara n'ihu kọwaa na ọdịdịụda asụsụ na-elebanyekar̄ị

anya na mkpụrụụda asụsụ. Site na nkọwa ndị a niile, a ga-ahụ na ọrụ ọdịdịụda kacha pụta ihe bụ igosipụta ụda dị n' asụsụ nakwa etu e si emebe ụda ndị a.

**Ntuleghariị Atụtụ**

Nwa nchọcha ga-atụle atụtụ ntulekọrịta asụsụ nke sitere n'aka Lado (1957) Atụtụ a nyere aka n'ịkọwapụta ọdịdịụda asụsụ Igbo na Yoruba.

**Atụtụ Ntulekọrịta Asụsụ**

Ọ bụ n'afọ 1957 ka Robert Lado bipụtara akwụkwọ ọ kpọrọ *Linguistics across culture: Applied Linguistics for Language Teacher* n'asụsụ Bekee. Kramsch (2007) kọwara na ọ bụ nke a bụ ihe bidoro amụmamụ ntulekọrịta asụsụ abụọ n'usoro Sayensị. Atụtụ Lado a na-akọwa na mgbe mmadụ na-atụlekọrịta asụsụ abụọ, ihe a tụrụ anya n'aka onye ahụ bụ iwepụta ma tụchasịa myiri na ndịiche ọ chọpụtara n'asụsụ abụọ ahụ ọ na-atulekọrịta. Lado kọwapụtara na atụtụ ntụlekọrịta asụsụ ga-agbasorịrị usoro ndị a mgbe a na-atụlekọ asụsụ abụọ, iwepụta ihe dị n'asụsụ abụọ ahụ ma kọwaa ha nke ọma, gakwazie n'ihu kpebie ebe onye na-amụ asụsụ ga-enweta ihe nhiaramaahụ n'ọmụmụ asụsụ ahụ.
Lado kọwakwara na mmadụ na-ewekarị ihe dị n'asụsụ a mụnyere ya na ya nke nwere ike ịbụ asụsụ nne na nna ya eme ntụgharị iji gosi nghọta dị n'asụsụ mba ọzọ. Mgbe mmadụ na-atụlekọrịta asụsụ abụọ, a anaghị enwekarị ihe nhịaramaahụ n'ebe asụsụ abụọ ahụ yitere, ọ bụ naanị ebe e nwere ndịiche n'asụsụ abụọ ahụ ka a na-enwe ihe nhịaramaahụ. N'ihi nke a ka o jiri dị mkpa na e wepụtara ndịiche dịgasị n'asụsụ abụọ ahụ ka ọ bụrụ ihe ga-enye onye ga-amụ asụsụ ahụ aka.

**Nchọcha E Merela N'isiokwu**

Ọ bụ n'ebe a ka a ga-atụle ihe ndị mmadụ dereela metụtara isiokwu a.
Emeh na Ubah (2016) mere nchọcha na "Contrastive Study of the Phonology of Igbo and Yoruba". Ha kọwapụtara nsogbu ndị Igbo na-amụ asụsụ Yoruba nwereike izute n'ụzọ n'amụmamụ a nakwa nsogbu ndị Yoruba na-amụ Igbo nwereike ịhụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ha jiri asụsụ Bekee were mee nchọcha a ma lebanya anya n'ihe ụfọdụ e dereela gbasara ntulekọrịta asusụ abụọ. Nchọcha a dị mkpa n'ebe nchọcha nwa nchọcha dị n'ihi na ha abụọ gbadosiri ụkwụ n'itulekọrịta asụsụ abụọ mana ọ dị iche n'ihi na ọ bụghị otu atụtụ ka nchọcha abụọ a gbasoro.

Matemilola (2000) mere nchọcha na '*Constrative Analysis of Vowel Harmony* System in Igbo and Yoruba". Ọ chọpụtara na ọ bụ n'asụsụ Igbo ka ndakọrịta ụdaume na-adịkarị ihe. A bịa na ndakọrịta ụdaume ndị Yoruba , ha na-eji nganiihu na nsonaazụ a na-enwe na ndakọrịta udaume Igbo mere naanị nganiihu ha. Nchọcha Matemilola a bara uru n'ebe nchọcha nke a dị n'ihi na abụọ na-eme ntulekọrịta n'ihe gbasara asụsụ Yoruba na Igbo.

Ikebude (1996) "*Contrastive Analysis of the Phonemes* in Igbo and Yoruba". Site na nchọcha ya, ọ chọpụtara ma kọwaa na usoro ọdịdịụda asụsụ Igbo na nke Yoruba yitere n'ihina usoro mkpọpụta ha nwere ka ha abụọ siri yite onwe ha. Site na nkọwa ya, o mere ka a mata na ọ ga-adịrị ndị Igbo ezigbo mfe ịmụta mgbochiume ndị Yoruba. Nchọcha Ikebude a bara uru ebe a maka na ọ na-akọwa maka ihe metụtara asụsụ Igbo na Yoruba.
Oforji (2004) "*Contrastive Analysis of Segmental Phonemes and Phonotactics* of Igbo and Yoruba" na nke Igbo.Site na nchọpụta ya, ọ kọwapụtara na ntulekọrịta asụsụ abụọ na-enyere ndị amụmamụ asụsụ ndịnọrụ akaịchọpụta myiri na ndịiche dị n'asụsụ izugbe nakwa asụsụ nke abụọ a na-amụ. Ọ jiri nkọwapụta nke edereede were zipụta ihe ọ chọpụtara. Ọ kọwara na nchọcha ya ga-enyere ndị nkuzi Igbo, ndị mbipụta akwụkwọ Igbo, ndịọde akwụkwọ Igbo aka n'ebe ọ pụrụ iche n'ebe ihe gbasara nsogbu a na-enwe n'ịmọ asụsụ ọzọ dị. Ebe nchọcha Oforji siri baa uru na nchọcha nke a bụ na ha abụọ na-arụgara asụsụ Igbo na asụsụ Yoruba aka.

**Nchịkọta Ntụleghariị Agụmagụ**

Na nchịkọta, nwa nchọcha chọpụtara na ụfọdụ ndị mmadụ emeela nchọcha n'isiokwu yitere nke a mana o nweghị onye mereela ya dị ka ọ dị na nchọcha a. Emeh na Uba (2016) mere nchọcha na "Contrastive study of the phonology of Igbo and Yoruba" mana ọ bụghị Igbo ka ha ji dee ya, a bịa na nkọwa ụdaume ha, ha ewebataghị eserese ụdaume bụ nke ga-enye aka ịkọwa etu ire siri dị n'ọnụ mgbe a na-akpọpụta ụda, akụkụ ire na-arụ ọrụ nakwa ọnọdụ egbugbere mgbe a na-akpọpụta ụda. N'eserese chaatị mgbochiume Igbo ha gosipụtara, ọ bụ naanị mgbochiume iri abụo na abụọ ka ha webatara mana mgbochiume Igbo dị iri abụọ na asatọ. Otu ihe ahụ bụ ihe mekwara na mgbochiume na ụdaume Yoruba ha chọpụtara, o nweghị nke ha dere zuru oke mana nwa nchọcha meziri nchọcha nke ya n'Igbo ma webatachakwa ụda ndị ahụ na-adịghị na nke ha.

E lee anya n'isiokwu nchọcha Matemilola (2002), Ikebude (1998) na Offorji (2004), a ga-ahụ na ha niile mere nchọcha ha n'asụsụ Bekee mana ha niile mgbadoro ụkwụ na ntulekọrịta metụtara asụsụ Igbo na Yoruba. Nke a na-akọwa na ha mechara nchọcha ha n'alaka sayensi amụmanụ yitere nke a mana nke ọbụla n'ime ha nwere ihe ọ na-arụgara aka.

**Usoro Nchọcha**

Usoro nwa nchọcha gbasoro were mee nchọcha a gbadoro ụkwụ n'ebe nchọcha, ụdịdị nchọcha, ngwaọrụ nchọcha nakwazị usoro nzipụta nchọcha.

**Ụdịdị Nchọcha**
Nwa nchọcha gbasoro nchọcha nkọwasị. Ọ mere nke a site n'ihe dị iche iche ọ gụtara n'akwụkwọ bụkwazị ihe ndị metụtara isiokwu a n'otu ụzọ maọbụ nke ọzọ. Nchọcha nkọwasị na-esitekarị n'ihe a gụtara n'akwụkwọ maọbụ ihe onyenkuzi kuziri na klaas. E mere nke a iji were hụ na nghọta e nwetara n'isiokwu a zuru oke.
**Ebe Nchọcha**
Nchọcha a gbasoro ụkwụ n'ọdịdịụda asụsụ. E jiri asụsụ abụọ a bụ Igbo na Yoruba were mee nke a ma chọpụtazie myiri na ndịiche dị n'etiti ọdịdịụda asụsụ ha abụọ.

**Ngwaọrụ Nchọcha**
Ngwaọrụ ndị nyere aka n'ebe ọ pụrụ iche na nchọcha a bụ: akwụkwọ mkpanaka na mkpịsịodee, ọtụtụ akwụkwọ ọgụgụ na ajụjụ ọnụ a gbara ọtụtụ ndị mmadụ nyekwara nnukwu aka.

**Usoro Nzipụta Nchọcha**
E zipụtara nchọcha a n'usoro Lado 1957 siri kọwapụta maka itulekọrịta asụsụ abụọ. Ya bụ na e wepụtara myiri na ndịiche dị n'ọdịdịụda asụsụ abụọ a.

**Nkọwasị Ngwa Nchọcha**
N'ebe a ka a kọwapụtara nke ọma ọdịdịụda asụsụ Igbo na nke Yoruba. Myiri na ndịiche dị na ha.

**Ọdịdịụda asụsụ Igbo (Fọnọlọji Asusụ Igbo)**
A bịa n'asụsụ Igbo izugbe, e nwere ụda iri atọ na isii nke iri abụọ na asatọ n'ime ha bụ mgbochịume ebe asatọ ndị fọrọ bụ ụdaume.

**Mgbochiume Igbo**
Mgbochiume iri abụọ na asatọ e nwere n'Igbo bụ ndị a; /b, ch, d , f, g, gb, gh, gw, h, j, k, kp, kw, l, m , n, ṅ, nw, ny , p , r , s , sh ,t , v , w , y , z/

**Njirimara Mgbochiume**
a. Ha na-enwe mgbochi ikuku na mkpọpụta ha.
b. Ha dị iri abụọ na asatọ.
ch. Mgbochiume Igbo anaghị enwe ụda aka ya.
d. Mgbochiume Igbo niile na-enwe nnọkọ mkpachị.

**4.1.3 Eserese Mgbochiume**

| Ụdị mkpọpụta / Ebe mkpọpụta | Egbugbere abụọ | Egbugbere na eze | Egbugbere na akpọ | Akpọ | Anyụrụ | Akpo ime | Anyuru na akpo | Akpịrị (Eko) |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụdaike ndapụta | p b | | kw gw | | t d | k g | | |
| Ụdaike ndakpu | kp gb | | | | | | | |
| Ụdarịị | | | | | r | | | |
| Ụdayịị | | | W | | | | y | |
| Ụdaimi | m | | nw | ny | n | ṅ | | |
| Ụdashịị | | f v | | | s z | gh | sh | h |
| Ụdachịịị | | | | | | | ch j | |
| Ụdalịị | | | | | l | | | |

E si na Nze (2010:7) wee were eserese a

**Mgbochiume Yoruba**
Mgbochiume n'asụsụ Yoruba bụ nke ha kpọrọ kọnsọnanti dị iri na asatọ n'ọnụọgụ. ha bụ: /b, t, d, k, g, p, gb, f, s, s̱, h, j, m, n, r, l, y, u,

**Eserese Mgbochiume nke Yoruba**

| Ụdị mkpọpụta / Ebe mkpọpụta | Egbugbere abụọ | Egbugbere na eze | Anyụrụ | Anyụrụ na akpo | Akpo | Akpo ime | Egbugbere na akpo | Akpịrị (Eko) |
|---|---|---|---|---|---|---|---|---|
| Ụdaike ndapụta | b | | t d | | | k g | kp gb | |
| Ụdaike ndakpu | | F | S | ʃ | | | | h |
| Ụdachịị | | | | dʒ | | | | |
| Ụdaimi | m | | N | | | | | |
| Ụdarịị | | | r | | | | | |
| Ụdalịị | | | L | | | | | |
| Ụdashịị | | | | | j | | w | |

E siri na Oyebade (2009) were nweta ihe osise a.

**Nkọwaada Mgbochiume Igbo**

| Ụda mgbochiume | Ụdị mkpọpụta/ ebe mkpọpụta | Ịmaatụ mkpụrụokwu |
|---|---|---|
| /p/ na /b/ | Ụdaike ndapụta, egbugbereọnụ abụọ. | Pụ̀rụ̀, pátá, panye<br>Bịa, bee, bata, bunye. |
| /kw/ na /gw/ | Ụdaike ndapụụta, egbugbere ọnụ na akpọ, mkpọ | Kwe, kwanye, kwa<br>Gwara, gwu, gwọ |
| /t/ na /d/ | Ụdaike ndapụta, anyụrụ | Ti, tinye, ta, tanye<br>Di, dee, dara,dee |
| /k/ na /g/ | ụdaike ndapụta, akpo ime | Kara, kasị, kama, konye<br>Gaa, gara, gosi, gụ |
| /kp/ na /gb/ | Ụdaike ndakpu, Egbugbereọnụ abụọ | Kpatara, kpụrụ, kpara, kpụta.<br>Gba, gbara, gbaba, gbanye |
| /r/ | Ụdarịị, anyụrụ | Ri, riri, rụ, ra |
| /m/ | Ụdaimi, egbugbereọnụ abụọ | Ma, mara, mata, mụta |
| /n/ | Ụdaimi, anyụrụ | Nụ, na, nara, nata |
| /ɲ/ | Ụdaimi, akpoike | Nye, nyụ, nyaa, |
| /ŋ/ | Ụdaimi, akpoime | ṅụ, ṅụrụ, ṅara, ṅụọ |
| /$ŋ^{w}$/ | Egbugbereọnụ, ọdụakpo | Nwụ, nwụrụ, nwa, nwe |
| /tʃ/ na /dʒ/ | Ụdachịị, anyụrụ | Chi, chiri, chịa, chọ<br>Ji,jụ,ju,jụrụ |
| /f/ na /v/ | Ụdashịị, egbugbereọnụ na eze | Fe, fere, fu,<br>Vanye, vu, vụrụ |
| /s/ na /z/ | Ụdashịị, anyụrụ | Si, sị, siri, sụrụ<br>Za, zu, zụ, zute |
| /ɣ/ | Ụdashịị, akpoime | Ghọ, gha, ghe, ghọta |
| /h/ | Ụdashịị, akpịrị | Ha, hụ, họ, hụrụ |
| /ʃ/ | Ụdashịị, anyụrụ na akpo | |
| /z/ | Ụdashịị, anyụrụ | Za, zute, zuru, zụ |
| /w/ | Ụdawayị, egbugbereọnụ na ọdụakpo | Wanye, wata, wụọ, |
| /j/ | Ụdawayị, anyụrụ na akpo | Yọ, yọrọ, yị, yiri |

**Nkọwaada Mgbochiume Yoruba**

Ọ bụrụ na a gbakwụnyere mgbochiume Yoruba ndị a ụdaume, a ga-enweta ihe dị ka.


Mgbochiume + ụdaume = mkpụrụokwu Yoruba Nghọta ha n'mkpụrụokwu Igbo

| | | |
|---|---|---|
| b+ ú | / bú/ | "mkparị" |
| h+ ù | /hu/ | "pu" |
| d+ e | /de/ | "lọ" |
| k+í | /kí/ | "kele" |
| g+ e | /ge/ | "gbuji" |
| p+è | /pè | "kpọ" |
| f +ọ | /fọ/ | "sa" |
| s + έ | /sέ/ | "gọ" |
| s + í | /sí/ | "mepe" |
| t + à | /tà/ | "re" |
| m + u | /mu/ | "nụ" |
| n + í | /ní/ | "nwe" |
| r + à | /rà/ | "zụ" |
| r + ò | /rò/ | "me" |
| y + a | /ya/ | "ụjọ" |
| w + u | /wu/ | "gwu" |

**Ụdaume Igbo**

Ụdaume n'Igbo izugbe dị asatọ, a na-enwe ezi nkupụta ume mgbe a na-akpọpụta ha. Nke a na-eme ka a ghara inwe mmetụkọ njiakpo na ibe ya. Ha na-enwe ụda aka ha ma nwekwaa nnọkọ mkpaghe.

**Eserese Ụdaume Igbo**




Ọ dị ụzọ ihe atọ dị mkpa mgbe a na-akọwapụta ụdaume Igbo. Ha bụ

a. Etu ire siri dị n'ọnụ- nke a pụtara etu ire siri dị nso n'akpo maọbụ ka ogologo ya siri jedebe n'akpo. Ọ tachiri atachị ka o ghe oghe, Ịmaatụ;
   Ntachi /i/ na /u/
   Ntachịtụ /ị/ na /ụ/
   Nghetụ /e/ na / /o/
   Oghe /a/ na /ọ/
b. Akụkụ ire na-arụ ọrụ mgbe a na-akpọpụta ya, ịmaatụ, ọ bụ ihu ire maọbụ azụ ireka ụda siri apụta.
   Ihu - /i/ /ị/ /e/ /a/
   Azụ - /u/ /ụ/ /o/ /ọ/.

Ch. Ọnọdụ egbugbere nọ mgbe a na-akpọpụta ya, nke a pụtara ịchọpụta ma egbugbere ọ jasara ajasa ka ọ dị okirikiri.

Okirikiri - /u/ /ụ/ /o/ na /ọ/

Njasa - /i/ /ị/ /e/ na / a/

**Ụdaume Yoruba**


Yusuf (2007) na Oyebade (2007) kọwara na ụdaume Yoruba niile dị iri na abụọ. E kere ha ụzọ abụọ;

a. Ụdaume e ji imi akpọpụta ã, ˜ i, Ɛ̃, ɔ̃ , ũ/
b. Ụdaume eji ọnụ akpọpụta: /a, e, Ɛ, ị, o, ɔ, u/


Ụdaume Yoruba ka e tinyere mgbakwụnye wee na-enweta okwu ndị a:

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| /a/ | ja | ọgụ | /ã/ | iya (nri ji) |
| /e/ | ke | akwa | /Ɛ̃/ | iyƐ̃ (igosipụta) |
| /e/ | bƐ | ịyọ | /ɔ̃/ | itɔ̃ (ụkwụ) |
| /i/ | ri | ịhụ | / i / | iri (ihe e ji ede akwa) |
| /ɔ/ | iɔ | aga | /ũ/ | irũ(ntutu) |
| /u/ | tu | tọpụ | | |

**Eserese Ụdaume Yoruba e ji ọnụ akpọpụta**




Ụdaume Yoruba nke e ji imi akpọpụta




**Nchịkọta**

A gbadoro ụkwụ na ntulekọrịta ọdịdịụda asụsụ n’ebe o metụtara asụsụ Igbo na Yoruba, a chọpụtara na abịdịị Igbo dị iri atọ na isii ebe nke asụsụ Yoruba dị iri atọ. Asụsụ Igbo nwere ụdaume asatọ, ha niile na-enwe nnọkọ mkpaghe na mkpọpụta ha mana abịdịị nke Yoruba dị iri atọ, ụdaụme Yoruba dị iri na abụọ. E nwere nke e ji ọnụ akpọpụta ma nwee nke e ji imi akpọpụta,nke e ji imi akpọpụta dị ise ebe nke ọnụ dị asaa.

Asụsụ Igbo nwere mgbochiume ndị abụọ na asatọ ebe asụsụ Yoruba nwere mgbochiume iri na asatọ. Mgbochiume niile Yoruba nwere dị n'Igbo tinyekwara iri mara ama n'elu nke Igbo mana ọ bụghị mgbochiume niile Igbo nwere ka Yoruba nwere.

Ọ bụrụ na e lebanya anya na chaat mgbochiume, a ga-ahụ na asụsụ Yoruba na Igbo nwechara ụdaike ndapụta /b/ nke ebe mkpọpụta ha bụ otu mana asụsụ asụsụ Yoruba enweghị ụdaike ndapụta /p/ n'asụsụ ha. Asụsụ Yoruba enweghịkwa ụdaike ndapụta /kw/ na /gw/ nke ebe mkpọpụta ya bụ egbugbere na akpo. N'asụsụ Igbo, /kp/ na /gb/ bụ ụdaike ndakpụ mana ha bụ ụdaike ndapụta n'asụsụ Yoruba. Ụda /t/, /s/, /ʃ/ na /h/ bụcha ụdaike ndakpụ n'asụsụ Yoruba ebe ha bụ ụdashịị n'asụsụ Igbo. Ụda /j/ bụ ụdachịị ebe /w/ bụ ụdawayị n'Igbo mana /j/ na /w/ n'asụsụ Yoruba bụcha ụdashịị. Asụsụ Yoruba enweghị ụdashịị /f/ na /v/ mana Igbo nwere ha. Asụsụ Yoruba enweghị ụdaimi /m/, / ŋʷ/, /ɲ/ na /  / nke ebe mkpọpụta ha bụ egbugbere ọnụ abụọ, egbugbere na akpọ, akpọ na akpọ ime. Asụsụ Yoruba enweghị ụdashịị /ɣ/. Yoruba nwere ụdaume niile Igbo nwere mana Igbo enweghị ụdaume /Ɛ/ nke ndị Yoruba nwere. A chọpụta na ụdaume ndị Yoruba kpọrọ ndị e ji imi akpọpụta bụ nke ndị Igbo na-akpọ ụdaarọ /ị/ , /ọ/, /ụ/ ma e wepụ /Ɛ̃/ na /ã/. Nke a pụtara na Igbo enweghị /Ɛ̃/ na /ã/.

**Aro Nwa Nchọcha**

Onye Igbo na-amụ asụsụ Yoruba ga-enwe nsogbu n'ịkpọpụta ụda ụfọdụ tụmadụ nke e ji imi akpọ ebe onye Yoruba na-amụ asụsụ Igbo ga-enwe ihe nhiaramaahụ n'ebe ụda ụfọdụ dị n'Igbo tụmadụ ndị ahụ asụsụ Yoruba na-enweghị. N'ihi nke a ka o jiri dị nnukwu mkpa na tupu onye Igbo ebido ịmụ asụsụ Yoruba, ihe dị ezigbo mkpa bụ ibu uzo mụọ abịdịị niile dị na Yoruba nakwa ụda ha niile ma mụtacha ya nke ọma. Otu ihe ahụ ka onye na-amụ asụsụ Igbo bụ onye Yoruba ga-eme iji matachaa myiri na ndịiche dị na ha abụọ. Nke a ga-enye aka n'ebe ọ puru iche n'ọmụụ asụsụ ahụ. Nwa nchọcha na-atụ aro ka ndị nchọcha mekwuo n'isiokwu a tumadụ n'asụsụ Igbo

**Mmechi**

Na mmechi, nwa nchọcha gbalịrị imejupụta ebumnobi ya bụ ịchọpụta ihe ọdịdịụda asụsụ pụtara, ịgosipụta ndịiche dị n'abịdịị Igbo izugbe na nke Yoruba, ịkọwapụta ndịiche e nwere na mgbochiume nakwa ụdaume ha abụọ.

**EDEMSIBA**


Agbedo, C.U. (2000). *General linguistics*: An introductory reader. Nsukka: ACE resource consult.

Anagbogụ, P.N., Mbah, B.M. & Eme, C.A. (2010). *Introduction to linguistics*, Awka: Amaka Dream.

Chapman, L. (1973). *Linguistics and literature.* London: Edward Arnold Publishers.

Chestermann, A. (1998). *Contrastivefunctionalanalysis.* Amsterdam: Benjamins Publsihers.

Clark, J. & Vallop, C. (1990). *An Introduction to phonetics and phonology.* Oxford: Blackwell Publishers.

Emeh, C.A. & Ụba, E.B. (2016*). A Contrastive study of the phonology of Igbo and Yoruba* in Unizik Journal of Arts and Humanities. Pp. 54-72. Okpuno: Fab Anieh.

Ezikeojiaku, P.A. (2004). *Fọnọlọji na ụtọasụsụ Igbo*. Lagos: Macmillan Nigerian Publishers.

Filipovi, R. (1975). What are the primary Data for C.A? in J. Fisak (ed.) *ContrastiveLinguistics*. Berlin: Mouton DE Grunta. 107-108.

Fries, C.C. (1945). *Teaching and Learning English as a Second Language.* Arbor: University of Michigan.

Fromkin, U. & Rodman, R. (1993). *Introduction tolanguage* (5th ed.). New York. Harcourt, Brace Jovanovich College Publishers.

Hombert, J.M. (2018). *Consonant types, vowel height and tone in Yoruba.* Lagos: Ziphel Publisher.

Ikebude, A. (1998). *Constrastive analysis of the phonemes of Igbo and Yoruba*. A B.A Thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Ikenna, E. (1998). *A comparative study of the phonology of Igbo and Hausa.* B.A. Thesis, University of Jos.

James, C. (1980). *Contrastive analysis.* London: Longman.

Katamba, F. (1989). *An Introduction to phonology*. New York: Longman.

Kramsch, C. (2007). *Re-reading Robert Lado, 1957, linguistics across culture in international journal of applied linguistics*. (pp. 241-247), Cambridge: Cambridge Press.

Ladefoged, F. (1990). *A phonetic study of West African Languages.* Cambridge: Cambridge University Press.

Lado, R. (1975). *Linguistics across cultures; Applied linguistics for language teachers*. Arbor: University of Michigan Press.

Matemilola, P. (2000). *Constrastive linguistics analysis of vowel harmony system in Igbo and Yoruba.* Journal of Education, Legal and Maangement Studies pp. 34-46.

Mbah, B.M. & Mbah, E.E. (2010). *Phonetics and Phonology*. Nsukka: AP Express Publishers.

Mekiliuwa, I.O. (2005). *An introduction to applied English linguistics*, Lagos: Fordson Part and Sons.

Nze, A.I. (2010). *Nchịkọta akwụkwọ maka ule siniọ sekọndịrị*. Nnewi: Mis-far publishers.

Oforji, B.M. (2014). *Constrastive analysis of segmental phonomes and phonotactics of Igbo and Yoruba*. PhD Dissertation, University of Nigeria, Nsukka.

Oyebade, O. (2007). Yoruba Phonology in O. Yusuf (ed.*) Basic linguistics for Nigerian language teachers.*(pp. 221 – 239). Port Harcourt: M & U Communication Limited and Emhai Publishers.

Robbins, R.H. (1967). *A short history of linguistics.* New York: Longman.

Schane, S.A. (1973). *Generative phonology*. New Jersey: Princeton Hall.

Udegbunam, D. (2001). *A constrastive study of the phonology of Igbo and Ngas.*M.A. Thesis, University of Nigeria Nsukka

Udemmadụ, T.N. (2018). *Ọmụmụ nghọtaokwu*. Onitsha: Durability Prints.

Yusuf, O. (2007). Phonetics in O. Yusuf (ed.) *Basic linguistics for Nigerian Language Teachers* ((pp. 240 – 251). Port Harcourt: M & U Orbit Communication Limited and Emhai Publishers.